mfe, ya mee ka ya mara, ọ bụrụ na ihe dị mkpa na ọ ga-ezite ozi kaara Obiefula ka ọ gwa ya, mgbe ahụ Omenụkọ ga-agwa ya ihe ọ ga-eme. Omenụkọ wee kelee ya, laa.

## ISI NKE ASAA

## NKWAGHARỊ OBI OMENỤKỌ NA ỤMỤ NNE YA

Omenụkọ na ụmụ nne ya wee kwagharịa obi n'Ịkpa Oyi. Ha wee nọọ ọrụ iwu ụlọ. Ebe ị matara na Omenụkọ na ndị ụlọ ya dị ọtụtụ, Okoroafọ na ndị ya dịkwa ọtụtụ; Nwabụeze na ndị ya; Ogbonna na nwunye ya na nne ha na ndị mbimbi, ndị bi n'ụlọ Omenụkọ ha. N'ihi ọtụtụ madụ ndị a ụlọ ha chọrọ iwu dị ọtụtụ. Ha wee chọọ ụzọ ma ndị Mgbọrọgwụ ga-enyere ha aka n'iwu ụlọ, ma ha ekweghi inyere ha aka. N'ihi nke a, Omenụkọ echeghi iwu ezi ụlọ na mmalite, kama ihe ọ chọrọ bụ ka ya jisie ike wute ụlọ nke ga-aba ihe ya na ihe nke ndị ya. O wee wuo ọtụtụ ụlọ n'Ịkpa Oyi, ma ụlọ ndị a dị nke nta nke nta. O wusịa ụlọ ndị a, ga gwa Ndị Mgbọrọgwụ sị ha, "Biko, bịanụ nyere anyị aka, iweta ihe anyị n'Ịkpa Oyi." Ha ekweghi. Omenụkọ wee sị ha, "O! echere m na ihe mere unu ekweghi bịa soro nyere m aka n'iwu ụlọ bụ na ebe m na-ewu ụlọ m bụ ọhịa ọjọọ, ma ugbu a ewusịa m ụlọ rịọkwa



unu ka unu nyere m aka ịkwafere m ihe m, unu ajụkwa. Ọ bụ ihe dị mma ka unu mere n'ebe m nọ?"

Omenụkọ na ụmụ nne ya wee mee ihe nile n'onwe ha, ma iwu ụlọ na ịkwagharị ihe ha dum. Omenụkọ wee jụọ Ndị Mgbọrọgwụ ma ọ dị onye ọ bụla nke na-achọ ịzụ ụlọ ebe ya na ụmụ nne ya biri. Ndị Mgbọrọgwụ, ụfọdụ madụ wee chee na obi Omenụkọ na ụmụ nne ya dị njọ n'ahụ ha, ha achọghi sị, "Ee, anyị chọrọ." Ma madụ, ndị na-echeta na ha na Omenụkọ bụ enyi wee sị, "Nna anyị, ọ bụrụ na ị ga-emeziri anyị ọnụ ahịa ụlọ ahụ, anyị ga-azụ ya." O wee sị ha, "Kwerenụ na unu ga-azụ, aghaghi m iresị unu." Otu onye wee pụta sị na ya chọrọ otu ụlọ, onye ọzọ wee pụtakwa sị na ya chọkwara otu ụlọ. Ha dị madụ ole na ole kwere na mbụ. E mesịa ha emee anya lere ibe ya, wee dị ọtụtụ bụ ndị chọrọ ịzụ ụlọ ahụ. O wee site n'ikwe ọnụ ahịa mara ndị chọrọ ịzụ ụlọ n'ezie. Site na nke a o wee mata onye ọ ga-enye ụlọ na onye ọ na-agaghi enye. O wee nyechaa ndị nile chọrọ ịzụ ụlọ ahụ n'efu, ma ụlọ nke ya ma ụlọ ụmụ nne ya.

O wee sị Obiefula ka o jikere onwe ya n'ụbọchị ndị siri na ha ga-abịa leta ụlọ ọhụrụ nke ya wuru bịachara laa, ka ya na ya jekwuru D.C. gwa ya okwu banyere Warrant nke ya. Obiefula asị ya, "Ọ dị mma, Mazị". Ndị ahụ wee bịasịa laa, Omenụkọ wee zie otu onye ozi, sị ya gaa gwa Obiefula na ha ga-eje n'ụbọchị atọ dị n'ihu, ga hụ D.C. Onye ozi ahụ wee jee zie dị ka o ziri ya.

Owee ruo ụbọchị atọ ahụ, Omenụkọ wee pụkwuru nwa ntakịrị ahụ, bu Obiefula, n'ihi na ụzọ ha ga-esi dị nso n'ụlọ Obiefula. Ha abụọ ewee garuo Awka, hụ D.C. wee gwa ya ihe ha chọrọ. D.C. wee tinye aha Obiefula. n'ebe aha ndị eze ndị ọzọ dị. Omenụkọ wee sị Obiefula, "Jụọ ya n'onwe gị ma nke ahụ pụtara na gị abụrụla onye eze ugbu a." O wee jụọ ya dị ka ọ gwara ya jụọ. D.C. wee sị ya, "Ee, onye eze ka ị bụ ugbu a. Ọ bụrụ na achọ m ndị ọrụ ma ndị ibu ma ọ bụ ka gị nye m ji, ị ghaghi ime otu a. Ọzọ kwa ị ghaghi ilekọta ndị gị anya nke ọma. Ọ bụkwaghi ụka Omenụkọ. Mgbe Omenụkọ na-achị obodo, ọ dịghi ịgba aghara dị ma ọlị. Omenụkọ ga na-achị ndị ya na ha bi n'ala ahụ, n'ala ọhụrụ. Ị nụla? Gị onwe gị ga na-achị ndị bi n'ochie ụlọ unu. I nụla? Ọ bụrụ na ihe ọ bụla dị nke ka gị ike n'omume, ị ghaghi ịga gwa Omenụkọ ka ọ gwa gị ụzọ ị ga–esi eme ihe ahụ. Ị nụla?" Obiefula wee sị, "Ee." D.C. wee sị ha laa, ha wee laa.

Mgbe ha ruru ụlọ, ọñụ wee si n'elu na ala na-ada n'akụkụ obodo ahụ nile bụ Ndị Mgbọrọgwụ. Nke a pụtara na Ndị Obiefula nọ n'ọñụ na ha weghachiri Warrant nna ha bụ Mgbọrọgwụ; Ndị Omenụkọ na-añụ na Mazị ha, bụ Omenụkọ ji Warrant nke onwe ya, ọ bụghikwa nke onye ọzọ.

Omenụkọ wee zie ndị eze ndị ọzọ sị ha ka ha bịa letara ya ụlọ ya, n'ihi na ya ewusịala ụlọ ahụ nke mere ka ya ghara ịbịa ụlọ ikpe ruo ọnwa atọ. Ha wee bịa leta ụlọ ya, wee too ya na o mere



ozi ukwu. Ụfọdụ wee nye ya shilling iri, ụfọdụ enye ya shilling ise; onye eze ọ bụla enye ka ike ya ha. Omenụkọ wee kelee ha nke ukwu. Mgbe o nyesịri ha ihe oriri dị iche iche na ihe ọñụñụ dị iche iche, o wee kọọrọ ha dị ka ya na Obiefula siri jekwuru D.C. wee gwa D.C. ihe banyere Warrant nke Obiefula. D.C. wee kwenye, dee aha Obiefula n'ebe a na-ede aha ndị eze, gwa ya na ọ ga na-anata ozi dị ka ndị eze ndị ọzọ na-anata; gwakwa ya si, "Ọ bụrụ na ozi ọ bụla eruo gị nti , ma i meghi ya, ọ bụghi ụka Omenụkọ. Site n'ihi nke a ị ga-ejisi ike ịchịkọta ndị gị ka Omenụkọ mereleri. Omenụkọ ga-elekọta ndị obi ọhụrụ."

Mgbe ndị eze ndị ọzọ nụsịrị okwu ndị a, ha ewere obi ha dum soro enyi ha Omenụkọ ñụrịa ọñụ n'ihi na Omenụkọ adịghikwa mma ịnapụ Warrant; ndị eze ahụ wee laa.

Omenụkọ wee kpọọ ụmụ nne ya na nne ya, ha dum wee rie, nụọkwa. Omenụkọ wee sị ụmụ nne ya "Ọ bụrụ na adị m ndụ ta a, Ọbasị Dị N'Elu mere ka m dị ndụ site n'aka unu. Ụmụ nne m, geenụ ntị. Okorafọ, jekwuru onye ode akwụkwọ n'ụlọ ikpe ka o meere gị ọda (order) igwe na-ekwu okwu n'ala Ndị Ọcha. Ihe ego ya pụtara m, ga-akwụrụ gị ụgwọ ya." Ọ sịkwa Nwabụeze, "Gaa Ọnitsha n'ụlọ akụ ma ọ bụ ụlọ ahịa, aga m enye gị ego ka ị wee zụrụ ịnyịnya igwe ka ọ bụrụ nke gị." Ọ sịkwa Ogbonna, "Chọta ezi nwa agbọghọ mara mma n'ezi obodo n'ezi ụlọ, m ga-enye gị ego ka ị kwụọ nne na nna

nw antakiri ahụ; ka ọ bụrụ nke gị." O wee sịkwa, "Ụmụ nne m, otu ihe dị nke na-egbochi m ụra mgbe ọ bụla m chetara ya." Ha wee jụọ ya sị, "Ọ bụ gịnị bụ ihe ahụ?". O wee sị ha, "Ụmụ madụ ndị ọzọ ahụ m rere. O kweghi m ichefu mgbe ọ bụla." Ụmụ nne ya wee sị ya na ha ga na-arịọ Ọbasị Dị N'Elu ka O mee ihe O chere dị mma n'ebe ihe banyere ụmụ madụ ahụ nọ. Omenụkọ wee gbakwa nkịtị na-eche ihe banyere ụmụ madụ ahụ.

## ISI NKE ASATỌ

## IHE BANYERE NDỊ OMENỤKỌ RERE ERE

Omenụkọ matara otu nwoke n'obodo anyị, aha ya bụ Igwe. Ọ bụ onye na-azụ ahịa, bụrụkwa ezi madụ n'ile anya na n'omume. Omenụkọ wee zie ozi ka a ga kpọọrọ ya Igwe a. Mgbe ozi ruru Igwe ntị, o bilie ngwa ngwa wee gawa ka ya ga mata ihe Omenụkọ na-akpọrọ ya. Mgbe ọ garuru ụlọ Omenụkọ, o wee lee ya ọbịa nke ọma. O ruo mgbe anyasị, Omenụkọ asị ya, "Enyị m, Igwe, biko ihe mere ka m ji zie ka a kpọọ gị dị m nọọ oke mkpa, ọ na-egbochi m ụra mgbe ọ bụla. Ebe ị bụghi ọbịa n'ala anyị ị matakwara ihe m mere nke bụ ihe ọjọọ jọgburu onwe ya n'obodo anyị. Biko ana m achọ ma m ga-esite n'aka gị mata ma ọ dị ụzọ m ga-esi chọpụta ndị nile ahụ m rere."



Mgbe ahụ Omenụkọ na Igwe wee nwée nzukọ n'etiti onwe ha. Ha abụọ agbaakwa ndụ, ha wee ṅụrịtaa iyi, Omenụkọ wee tụọrọ Igwe ilu sị, "Ụta gbatara eleke ntị ọba, ya rie ọgụ mkpụrụ akụ," Nke isi ya bụ na onye ọ bụla nke chọpụtara ụzọ ya ga-esi hụkwa ndị ahụ anya, ihe ọ bụla onye ahụ sị ya weta na ya bụ Omenụkọ ga-eweta ya. Igwe wee sị Omenụkọ, "Atụla egwu, Chineke dị ndụ; ma ọ bụrụ ndị akwụkwọ."

Ha wee gbuo ewu ha jiri gbaa ndụ, kee ya rie ụfọdụ, werekwa ụfọdụ laa n'ụlọ ha. Igwe asị Omenụkọ ka ya ga chọọ ụzọ, ọ bụrụ na ya achọta ihe, na ya ga-eme ka Omenụkọ mara. Omenụkọ wee sị ya na ọ dị mma. O wee laa. Ma Igwe amatalarị ebe madụ abụọ n'ime ha bụ ndị e rere ere bi. Otu nke bụ nwanna ha bị n'ụlọ Mazị Ọjị n'Arụ Ụlọ. Nke ọzọ bikwa n'Arụ Ụlọ ma a mataghi aha onye gbara ya. Igwe wee chọọ ụzọ ma ọ ga-ahụ ebe ndị ọzọ bi, ma ọ chọtaghi na mgbe ahụ. O wee laa n'oge ije ahụ, jekwuru enyị ya Omenụkọ kọọrọ ya na ya onwe ya chọpụtara madụ abụọ n'ime ha. Omenụkọ wee jụọ ya sị, "Biko, aha ndị ahụ bụ gịnị?" Igwe wee sị, "Obiọha nwanna gị bụ otu, o bikwa n'ụlọ Mazị Ọjị. Elebeke Okoro kwa, amataghi m ụlọ ebe o bi." Omenụkọ wee sị, "Enyi m Igwe, ọ bụghi ka ị rịọwa ndị ahụ ka ha kwenye ka m gbarakwa ndị ahụ dị ka m kwuru na mbụ, kama ihe m kwere gị nkwa ya bụ jisie ike chọpụta ebe onye ọ bụla n'ime ha nọ." Omenụkọ wee sịkwa Igwe, "Aga m agwa gị ugbu a na nkwa nke m kwere bụ ezi

nkwa". Omenụkọ wee baa n'ụlọ ya were ego n'akisi pụta gụọrọ enyị ya Igwe ego, pound iri, sị ya na otu madụ nọ na pound ise. Ọ sị, "Mgbe ị chọtara ebe ndị ọzọ nọ bịa gwa m, narakwa m pound ise tutuu a chọtazuo ha dum, ma ọ buru na i nwere ike."

Omenụkọ we jụọ Igwe mgbe ga-abụ oge Bịanko na nke Agbagwụ na Oge Nta. O wee gwa ya oge ha n'otu n'otu. Omenụkọ wee sị Igwe, "I ga-alawa, ma ihe ọzọ bụ anya ruo gị ala." Igwe wee kelee ya, laa. Mgbe Igwe lasịrị Omenụkọ wee kpọọ ụmụ nne ya, we kọọrọ ha ihe mere, ha we ṅụrịa ọṅụ.

Omenụkọ wee jụọ ụmụ nne ya sị, "Onye ga-eje jụpụta Mazị Ọjị ihe m ga-akwụ ya ma o kwe ka m gbarakwa Obịọha nna m? Ọzọ kwa Mazị ga-eduzi onye ahụ ụzọ n'ụlọ ebe Elebeke Okoro bi, ijụpụtakwa onye ụlọ ahụ ihe m ga-akwụ ya n'isi Elebeke."

Nwabụeze wee sị na ya ga-eje. Omenụkọ wee gụpụta madụ ndị ọzọ tinyere Nwabụeze, sị ha ka ha na-ejikere ruo ụbọchị ya ga-asị ha bilie. Omenụkọ wee gụzie ụbọchị dị ka ihe Igwe gwara ya banyere oge ije. O wee gwa Nwabụeze ụbọchị ha ga-ebili ka ha wee ghara izute ndị ije n'ụzọ.

Ma otu ihe dị nke Igwe chefuru ịkọrọ Omenụkọ bụ na ahịa adịghikwa na Bende, na e bugharịala ya na Ɵzuakọlị. Nke ọzọ kwa na mgbe mbụ, ọ bụ Bịanko bụ oge ukwu karịa Agbagwụ, ma ugbu a Agbagwụ bụ oge ukwu karịa Bịanko. Omenụkọ amataghi na ihe dị otu a dị. Ya mere o wee gụọ ụbọchị dị ka mgbe oge ije Bịanko ji ebili, gụọkwa



nke Agbagwụ na Oge Nta. O wee gụghie ụbọchị mgbe o chere na Bịanko na-azụ, ọ bụghi Bịanko kama ọ bụ Agbagwụ. Ma site n'ihe Igwe gwara ya banyere oge ije, o wee zipụ Nwabụeze na ndị ọzọ na mgbe o chere na ụzọ ga-adị jụụ, ma ọ bụghi dị ka o chere n'ihi na Nwabụeze zutere ndị ije n'ụzọ jụọ ha ahịa ha gara, ha wee sị ya, "Bịanko". Nwabụeze wee jụọ ndị ije ahụ sị, "Ọ bụghi Agbagwụ ga-azụ n'abalị iri na isii ta a?" Ha wee sị ya, "Ee-e, kama ọ bụ Oge Nta." Ihe a wee ju Nwabụeze anya.

Ha wee chọrọ ụlọ n'ebe ha ga-ezu ike wee cheekwa echiche. Mgbe ha na-eche ihe ha ga-eme Nwabụeze wee jụpụta site n'ọnụ ndị obodo ahụ ebe ha nọ n'ala ha ezuru ike na e gbughariri oge ije egbughari, na Agbagwụ bụ oge ukwu karịa Bịanko ugbu a. Ma mgbe ha biliri n'ụlọ, ha chere na ha biliri n'etiti Agbagwụ na Oge Nta, ma ha amataghi na ọ bụ n'etiti Bịanko na Oge Nta ka ha biliri, ha wee nọdụ n'obodo ahụ bụ Ugwu Akụ, na-echere ka ndị ije gafesịa. Ha wee nọọ abalị atọ n'Ugwu Akụ, na mgbe ahụ ndị ije wee gafesịa. Ha wee biliekwa ije ha. Mgbe ha ruru Bende, Nwabụeze chere na ọ ghaghi amatakwa ụzọ, o wee chọta madụ abụọ na Bende ka ha buoro ha ibu. Ma ị ga-amata na ọ bụghi ibu arọ ka Nwabụeze na-achọrọ ndị Bende ahụ, kama ọ bụ ndị ga-eduzi ha ụzọ tutuu ha eruo Arụ Ụlọ.

Madụ abụọ ndị a wee duru Nwabụeze na ndị ya ruo Arụ Ụlọ. Onye ọ bụla bụ onye Aro, ma ọ



Nwabụeze wee kọọrọ Mazị Ọji na ya bụ nwanne Omenụkọ

gaa biri n'obodo ọzọ ọ ghaghi inwe ebe ọ ga-akpọ obi nke ya n'Arụ Ụlọ. N'ihi ya Nwabụeze wee chọọ ka ya gaa n'ezi ha, ma, o chetara ihe ọjọọ ahụ nwanne ya bụ Omenụkọ mere megide ikwu na ibe ha. O wee tụọ ụjọ ịga n'ezi ha. O wee jekwuru Mazị Ọji nọdụ n'ụlọ ya. Ma Obiọha anọghi n'ụlọ, ha gara ahịa nke Itu Agbanyịm. Nwabụeze wee kọọrọ Mazị Ọji na ya bụ nwanne Omenụkọ. O wee tie mkpu nke ukwu, sị, "Ewo! Ị bụ nwanne ya n'ezie"? O wee kọọrọ ya akụkọ banyere nwanne ya bụ Omenụkọ. O wee jụọkwa sị "Enyị m Omenụkọ, ọ dị ndụ?"

Mazị Ọjị wee lee ha ọbịa nke ọma. O ruo mgbe chi jiri Nwabụeze wee sị, "Mazị Ọji, ọ bụ enyi gị Omenụkọ zitere m sị ka m jụta gị ihe dị ya oke mkpa, ihe ahụ bụ ma ị ga-ekwe ka ya gbarakwa Obiọha nna m. Ọ bụrụ na i kwere, ka i kwuo ihe ya ga-akwụ gị wee nwetakwa ya." Mazị Ọji wee tie mkpu sị na ọ bụ Obiọha ka ya mere ka onye isi ndị ohu ya, n'ihi na ọ bụ madụ dị obi ume ala, ọ bụkwa ya ka Mazị Ọji tụkwasịrị obi n'ihe nile. Nwabụeze wee sị ya "Ọ ga-adị otu a n'ezie, ma ị ga-amata na ọ bụghi nanị Obiọha ka ọ chọrọ igbatakwa. Ọzọ kwa ọ chọrọ isite n'aka gị mata ebe ndị ọzọ ahụ o rerere bi ugbu a." Mazị Ọjị wee sị, "Ewo! nke ahụ abụghi ihe tara ikike n'ime, onye a na-akpọ Elebeke bi n'ụlọ Ezuma; a chọwakwa ndị ọzọ a ga-ahụ." Nwabụeze sịrị Mazị Ọji, "Nke ahụ ga-abụ ozi gị n'iduga m n'ụlọ Ezuma na ịgwa ya otu okwu ahụ nke m gwara gị". Mazị Ọji wee sị na ọ dị

mma. E mesịa Nwabụeze wee jụọ ya mgbe ha ga-eje n'ụlọ Ezuma. Mazị Ọjị wee sị na ọ bụ echi. Nwabụeze wee kwenye sị ya dịba echi. Ma Mazị Ọjị buru ụzọ jekwuru Ezuma jụpụta n'ọnụ ya ma ha ga-ekwe ka e mee ihe dị otu a. Ezuma wee sị Mazị Ọjị, "Anyị aghaghi ikwe n'ihi na ụmụ ntakịrị ndị a bụkwa ụmụ ntakịrị anyị. Anyị onwe anyị ndị bi n'ụlọ na ndị Arụ bi n'ezi, bụkwa otu, site n'ihi ya anyị aghaghi ikwenyere enyi any ịbụ Omenụkọ, ma o mezie anyị nke ọma. O wee sịkwa, "Ọzọ dịkwa, ya bụ na ugbu a bụ echere Bekee, ọ bụrụ na ụmụ nta ndị a chọrọ ịla n'onwe ha, ha nwere ike ịla, ma ọ bụrụ na anyị ekweghi ka a gbarakwa ha ugbu a. E leghi anya ọ ga-apụta ụka, na mgbe ahụ ha ga-alakwa n'ụlọ ha na-akwụghi ego ọ bụla." Mazị Ọjị wee hụ na okwu Ezuma bụ ezi okwu. O wee jụọ ya sị, "Gịnị ka ị chere anyị ga-asị ha kwụọ anyị?" Ezuma wee sị ya, "Ọ bụnụ onye okwu kwuo mgbe ahụ ị ga-amata ihe ị ga-asa ya". Ha wee hapụ okwu ahụ chi wee bọọ, Mazị Ọjị na Nwabụeze ejikere gaa n'ụlọ Ezuma. Mgbe ha batara turitaa aha ụtụtụ, taakwa jị tụọ nzụ, Nwabụeze wee malite ikwu okwu sị na ọ bụ Omenụkọ zitere ya ka ya bịakwute ha, rịọ ha ka ha gwa ya ihe ya ga-akwụ n'isi Obiọha na Elebeke, wee gbarakwa ha. Madụ abụọ ndị a, Ọjị na Ezuma wee sị na ha ga-agba izu, wee saa okwu ahụ. Ha apụọ kwuo, ngwa ngwa, laghachi, sị ka ọ dịbakwa echi, ma mgbe ahụ e leghi anya Obiọha gara ije ga-alọta; mgbe ahụ



ha dum ga-edokọta ọnụ n'otu wee saa okwu ahụ. Nwabụeze wee sị na ọ dị mma ka ọ dịrị echi ahụ.

Obiọha wee laghachi na mgbe anyasị, wee hụ na nwanna ya bụ Nwabụeze bịara. Obiọha mere ụma dị ka a ga-asị na ụmụ nna ya akaemeghi ya ihe ọ bụla jọrọ njọ ma ọlị. Obiọha wee duru nwanna ya, bụ Nwabụeze, ga n'ụlọ ya. Mgbe ha abụọ nọ na-akparịta ụka, Nwabụeze wee kọọrọ Obiọha ihe bụ isi ọbịbịa ya. Obi wee tọọ Obiọha ụtọ nke ukwu mgbe ọ nụrụ okwu dị otu a site n'ọnụ nwanna ya, ma ụka ọ ga-enwe isi, ma ọ gaghi enwe isi, obi tọrọ ya ụtọ.

Obiọha wee sị Nwabụeze na Oti, onye ọzọ e rere ere, nwụrụ n'afọ gara aga, na ọrịa afọ gburu ya, na ọ bụrụ na ọ hụ Arịsa na ọ gaghi amatakwa ya n'ihi na ukpa na-egbu ya. Nwabụeze wee jụọ Obiọha ebe Arịsa bi, o wee sị "O bikwa n'Obinkịta n'ala a."

Na mgbe ahụ Mazị Ọjị wee kpọọ Obiọha, o wee jekwuru ya. Mazị Ọjị wee kọọrọ ya ihe nwanna ya kwuru. Obiọha wee sị, "Nke ahụ bụ ụka unu, ọ bụrụ na ọ ga-adị gị mma, ọ ga-adị m mma." Mazị Ọjị wee sị mgbe ha hụrụ Ezuma na Elebeke anya, na ha dum ga-ekwukọta n'otu. Obiọha wee si na ọ dị mma. Mgbe chi bọrọ ha dum wee zukọta n'ụlọ Mazị Ọjị palitekwa okwu a. Mgbe ha kwutụrụ nke nta, Mazị Ọjị na Ezuma na Obiọha na Elebeke wee pụọ n'izu. Mgbe ha ruru n'izu ahụ, Ezuma wee tụọ ilu sị, "Onye a na-agbara ama ọ na aṅụrị: onye a na-ebo ebubo

o kwetala?" Ọ sịkwa, "Madụ abụọ, Obiọha na Elebeke kwuonụ uche unu." Ha wee sị na ọ bụ ha bụ nna ha ukwu bụkwa ndị nwe ha, ha ga-ekwu ma ha kwere ma ha ekweghi. Mazi Ọjị wee sị, "Ọ bụrụ na nwanna unu na-achọ ka ya gbarakwa unu, nke ahụ abụghi ihe ọjọọ. Arụ Elugwu na Arụ Ụlọ bụkwa otu, n'ihi nke a anyị ga-ekwe." Ha wee laghachi n'izu, wee sị Nwabụeze na ha kweere, ya bụ ka ọ gwa Omenụkọ otu a. Ọzọ kwa, na ha ga-enyere ya aka ka o nweta Arịsa. Nwabụeze wee kelee ha, laghachikwa n'ụlọ Obiọha. O ruo n'echi ya Nwabụeze wee jekwuru Mazị Ọjị na Ezuma sị ha, "Biko, gwanụ m ihe Omenụkọ ga-akwụ unu." Ha wee gbaa izu, pụta, sị Nwabụeze ya gwa Omenụkọ na ụmụ nta ahụ bụ nke ha na ya, ya onwe ya matakwara ihe ha kwụrụ ya n'isi otu madụ mgbe o resịrị ha madụ abụọ ahụ. Nwabụeze wee laa n'ụlọ Obiọha na-añurị n'ihi na okwu ha na-achọ inwe isi. N'echi ya, Nwabụeze wee laa ka ọ ga kwuoro Omenụkọ ihe o jetara banyere ndị ahụ o rereṛị. Mgbe o ruru ụlọ o wee kọọrọ Omenụkọ dị ka ya siri ga ije ya. Ọñụ wee jụ Omenụkọ obi. O keleekwa Nwabụeze nke ukwu.

Ije ha agaa nke ọma nke ọma, ma otu ihe mere n'anyasị ahụ mgbe ha ruru ụlọ, agwọ tara Nwabụeze. Mgbe o jiri rute ụlọ, agwọ ahụ tara ya, na-egbu ya mgbu hie nne. Site n'ihi nke a Omenụkọ wee gwa Okorafọ sị, "Biko achọghi m ichere nche. Ariọ m gị ka ị durukwa ndị ahụ ha na Nwabụeze soro ga na mgbe mbụ, gaghachikwa



Arụ Ụlọ." Okorafọ wee kwe, Omenụkọ wee sịkwa ya "Mgbe ị ruru, ị ga-ejekwute Mazị Ọjị kwụọ ya ohu pound abụọ, kwụọ Ezuma ohu pound abụọ kwa. Ị ga-ahụkwa onye ahụ Arịsa bi n'ụlọ ya, ị kwụọkwa ya ohu pound abụọ. Ị bụghi nwa nta, chọọ ụzọ ma ị ga-enweta ndị ọzọ." Okorafọ wee jikere bilie, ya na ndị ahụ bụ ndị sooro Nwabụeze nke mbụ. Omenụkọ wee weta otu onye dibịa, ọ bịa meere Nwabụeze ọgwụ banyere agwọ tara ya.

Ma mgbe Okorafọ na ndị ya garuru Ozuitem, ndị obodo ahụ wee jide ha. Ihe ndị a mere n'abalị, n'ihi na Okorafọ na ndị ya na-aga ije n'abalị karịa n'ehihie. Ndị Ozuitem wee sị na Okorafọ na ndị ya mebiri Ekpe ha. Okorafọ wee sị na ya onwe ya abaala Ekpe. Ha asị ya, "Bịa ka ị zi anyị isi ụdọ." Okorafọ wee soro ha gaa zi dị ka onye ọ bụla bara Ekpe na-ezi. Ha wee hapụ ya, sị ya, "Madụ ndị a gị na ha so, ha bara Ekpe?" Okorafọ wee sị na ndị ahụ abaghi Ekpe. Ha wee sị "Gịnị kwa ka a ga-eme banyere ha, n'ihi na anyị nyechiri Ekpe.?" Okorafọ wee sị ha na ọ bụ ha ka ọ dị n'ọnụ ikwu. Ha wee nara Okorafọ shilling ise, shilling ise n'isi otu onye n'ime madụ anọ ahụ soro ya ga ije ahụ. Ndị Ozuitem wee hapụ ha, ha agafee, wee jere ije ruo Arụ Ụlọ. Mgbe ha ruru ụlọ Ọji, Mazị wee mata Okorafọ, kpọkwa ya aha. E mesịa Obiọha wee duru Okorafọ gaa n'ụlọ ya.

Mgbe chi bọrọ, Okorafọ wee sị Mazị Ọjị na ọ bụ dị ka ihe nwanne ya Omenụkọ zitere Nwa-

bụeze n'abalị ole na ole gara aga, ka ya bịaara ọzọ. Mazị Ọjị wee sị ya na ọ dị mma, na ha ga-akpọkwa Ezuma n'ihi na ọ dịghi ihe ọ bụla ha ga-ekwu ma ọ nọghi. Okorafọ wee sị na ọ dị mma, ha wee zie ka a ga kpọọ Ezuma. Mgbe Ezuma bịara ya na Mazị Ọjị wee pụọ n'izu wee gbaa izu laghachikwa, sị Okorafọ, "Kwuokwanụ ihe unu kwuru ka anyị nụ." Okorafọ wee sị, "Bikonụ ụmụ nna m, ọ bụ Omenụkọ ziri m ịbịakwute unu banyere ihe Nwabụeze gwarari unu n'ụbọchị gara ga, banyere Obiọha na Elebeke na Arịsa." Ha wee sị na ha kwuru olu ha n'ụbọchị ahụ mgbe nwanna ha bụ Nwabụeze bịara. Ha ekwuokwa sị, "Ụmụ ntakịrị ndị a bụ ụmụ ntakịrị unu, bụrụkwa nke anyị, n'ihi nke a ọ bụrụ na ụmụ ntakịrị kwere isoro unu laa ọ dị mma, ma ọ bụrụ na e nyeghachi anyị ihe anyị mere wee nweta ha."

Okorafọ wee kelee ha nke ọma wee wepụta ihe o jiri tinye ego, gupụta ohu pound abụọ, sị, "Mazị Ọjị nke a bụ nke gị." O wee gupụta ohu pound abụọ ọzọ sị kwa, "Mazị Ezuma, nke a bụkwa nke gị." Ha wee kelee ya nke ukwu. Obiọha na Elebeke wee bilie, kpọọ isi ala nye Mazị Ọjị na Mazị Ezuma, keleekwa Okorafọ ekele dị ukwu n'aha Omenụkọ. Ma mgbe nke ahụ gafesịrị, Okorafọ wee jụọ ha ihe banyere Arịsa. Mazị Ọjị wee sị, "Nke ahụ abụghi ihe tara ikike n'ime." Mazị Ezuma wee sị, "M ga-ezipụ madụ ugbu a ka a ga kaara ya na Okorafọ nọ n'ebe a, na-achọkwa ịhụ ya." Ha wee zipụ



Elebeke ka ọ ga kpọọ ya. Mgbe Elebeke bịagha-chiri, o wee sị na Arịsa ga-abịa, na ọ sịrị ka ya kụsịa ngwọ ya na-achọ ịkụ.

E mesịa Arịsa wee bịa hụ Okorafọ kwawa akwa, Okorafọ wee rịọ ya ka ọ ghara ịkwa akwa. O wee jụwa Okorafọ banyere ọha madụ nile n'ụlọ nna ha ukwu, Omenụkọ. Okorafọ wee sị ya na madụ nile dị ndụ na ọ bụ nanị ụmụ nne ha ndinyom, Nwanụ na Udeọla bụ ndị nwụrụ anwụ. Arịsa wee mee ebere nke ukwu banyere ọnwụ Nwanụ na Udeọla. Okorafọ wee sị ya na ihe ya bịara bụ idurukwa ha laa, na ọ bụ n'ihi ya ka ya ji dupụ madụ ka a gwa ya na ya bịara n'ebe a. Okorafọ wee jụọ ya sị, "Ana m achọ ịjụpụta gị ma obi ọ dịkwa gị ụtọ n'ime ka ị laa ala anyị?" Arịsa wee sị, "Gịnị ka Obiọha na Elebeke kwuru, ha kwere ekwe ma ọ bụ na ha jụrụ ajụ?" Okorafọ wee sị na ọ bụ Obiọha na Elebeke ga-asa ajụjụ nke a. Madụ abụọ ndị a wee sị, "Arịsa kwere, n'ihi na anyị ekwerela, Okorafọ ga-ahụkwa nna gị ukwu bụ Ọkpara, anya, n'ihi na Okorafọ ahụla ndị nwe anyị anya." Arịsa wee sị Okorafọ na ya ga-ekwe mgbe ya na nna ya ukwu hụrụ anya, a sị na ọ bụ ta a na ya ga-ekwe, a sịkwa na ọ bụ echi na ya ga-ekwe. Okorafọ wee sị Arịsa, "Lawa n'ụlọ gị. Echi ka anyị ga-abịakwute unu, ma aghaghi m idupụ madụ ọ bịa gwa nna gị ukwu na Mazị Ezuma ga-abịa n'ụlọ ya echi."

Arịsa wee laa ga jikere ihe ọ ga-enye Okorafọ ma mgbe ha bịara. Mgbe onye ozi ahụ bịara n'ụlọ Ọkpara, o wee sị ya na Mazị Ezuma sịị ya

apụla apụ echi n'ihi na o nwere onye ga-eso ya bịa n'ụlọ ya. O wee sị ya, "Ọ dị mma, onye nọ n'ụlọ ya na-eche madụ, ukwu agaghi egbu ya mgbu." Ọkpara wee kpọọ Arịsa sị ya na ọ ga-enye ya mai ngwọ o ga-awụta n'echi ya. Arịsa wee sị na ọ dị mma, ma ọ dịkwanụ ihe ya ga-eji mai mee echi ahụ, sịkwa na ya ga-enye Ọkpara otu ite maị, werekwa otu ite maị mee ihe ya chọrọ n'ihi na ọ bụ nanị ite maị abụọ ka ya na-awụta n'ụtụtụ.

Chi wee bọọ, Mazị Ọjị na Mazị Ezuma na Obiọha na Elebeke na Okorafọ na ụfọdụ n'ime ndị ya na ha so wee bịa n'ụlọ Ọkpara. Mgbe o nyesịrị ha ọjị na ọkwa ose ha atasịa, Okorafọ wee sị Mazị Ọjị, "Sowe okwu anyị". Mazi Ọjị wee sị, "Ọ bụnụ ezi okwu, Okorafọ, ma ndị tụrụ ilu sịrị, 'Onye nwe ozu na-apa ya n'isi', site n'ihi ya, ọ dị gị n'ọnụ." Okorafọ wee sị na ọ di mma, wee sị Ọkpara, "Biko nna m, ọ bụ ụlọ gị ka m bịara ihe a, na-arịọ gị n'aha nwanne m, bụ Omenụkọ, n'ihi na ọ bụ ya zitere m ka m bịakwute gị na Mazị Ọjị na Mazị Ezuma ka unu madụ atọ kwe ka ya gbarakwa ụmụ nna anyị, madụ atọ ndị a, Obiọha na Elebeke na Arịsa. Mụ na ndị eze abụọ ndị a ahụla anya banyere Obiọha na Elebeke, nke ahụ agwụsịa." Ọkpara wee sị ya na ya onwe ya chọrọ ka ya na Mazị Ọjị na Mazị Ezuma gbaa izụ. Okorafọ wee sị na ọ dị mma. Ha wee ruo n'izu madụ abụọ ndị a wee sị Ọkpara na ha anarala ego nke ha. Ọkpara wee sị ha, "Ole ka m ga-asị ya kwụọ m?" Ha wee sị ya, "Kaara ya na gị ekwerela ihe o kwuuru gị, anyị ga-ahụkwa." Ha wee laghachi n'izu ha. Ha wee sị Okorafọ, "Anyị agbaala izu laghachikwa. Ọkpara kwere ekwe. Ọ sịkwa ebe ọ bụ na anyị na gị ahụtala anya na ihe dị na ya bụ e mee nwa ka e mere ibe ya, obi adị ya mma." Okorafọ wee sị ha na nke ahụ abụghi ụka. Ha wee sịrịta onwe ha na ha ga-ahapụ ya bụ okwu, ka ọ dịwa echi n'ihi na nkwụ fọrọ ta a, chaa ta a, abụghi ihe ọma. Mgbe ha na-ejikere ịla, Ọkpara wee baa n'ụlọ bupụta otu ite maị, wee che ya n'ihụ ha si, "Ọ bụ unu nwe maị nke a." Mgbe ha nọ n'igbapụ maị nke Ọkpara, Arịsa we gaa bute maị nke ya, sị, "Nna m ukwu Ọkpara, were maị nke a nye ndị bịara n'ụlọ anyị." Ọkpara wee mee otu ahụ, ndị ahụ bịara abịa wee kelee ha nke ọma. Mgbe ha nọ na-añụ maị, Arịsa wee jụọ nna ya ukwu sị, "Ọ bụ ginị mere ị sịghi ka ị jụọ m ihe bụ uche m?" Nna ya ukwu wee sị ya, "Ọ bụ ezi okwu, ma, ihe mere m ka m ghara ịjụ gị ihe bụ uche gị bụ na Mazị Ọjị na Mazị Ezuma na ndị nke ha ekwerela. N'ihi nke a m wee kwere dị ka ndị ọzọ kwere, ọzọ kwa, ọ bụ n'ihi ịhụ gị anya ka anyị jị wee sị ka okwu ahụ dịwa echi." Arịsa wee sị "Ịyaa, obi adịla m ụtọ ntam." Ha añụsịa maị otu ha nwere ike, wee laa.

Mgbe ha na-eje n'ụzọ, Okorafọ wee sị, "Mazị Ọjị, i chere na ihe a Arịsa kwuru bụ okwu ụgha? Ọ dịghikwanụ mma dị ka Ọkpara siri ghara ịkpọ Arịsa ka ha abụọ hụ anya tutuu ruo mgbe o kwuru na ya ekwerela". Mazị Ọjị wee sị ya,

"Ọ ga-emenụ otu ahụ, gị onwe gị matara na ọ bụghi ego ya ka o jiri gbaa ya, nanị nke a bụ uru o jetara n'ụlọ nna ya. Okorafọ wee sị, "Ọ bụ ezi okwu, Mazị, ihe dị otu a na-emekwa na ndinyom a lụrụ alụ; n'ihi na nne gị na nna gị lụọrọ gị nwanyị, e mesịa àgwa gị na nwanyị ahụ agaghi adịkọ n'otu nke ọma. N'ihi nke a, ị ga-ekwu sị, 'Ọ bụrụ na m chọrọ nwanyị n'onwe m agaghi m alụ onye nzuzu dị otu a.' Ma ọ bụrụ na nwoke ahụ lụtara nwanyị n'onwe ya, ọ bụrụ na nwanyị ahụ na-ata akwa ndụ, di ya agaghi ekwu okwu n'olu ike n'ihi na ọ bụ ya họtaara onwe ya nwanyị." Okorafọ wee sị na ya chere na ihe ọ bụla ya nyere Ọkpara n'isi Arịsa na ọ ghaghi ịnara, na ọ ga-adịkwa ya ụtọ karia ha. Mazị wee sị, "Ọ bụ ezi okwu nwa m."

Mgbe ha ruru ụlọ, Okorafọ wee kpọọ Obiọha na Elebeke jụọ ha ihe ha chere banyere mbili. Elebeke wee kwuo sị, "Anyị onwe anyị bụ nke gị ugbu a, n'uche nke m ihe ị kwuru ka anyị ga-eme n'ihi na otu ọ bụla anyị dị ugbu a, ọ dịkwara gị onwe gị, ebe ị kwụghachiri ndị nwe anyị ụgwọ n'isi anyị, anyị bụ nke gị." Okorafọ wee sị ha na ọ bụ ije echi ha ga-eme ka ha mara dị ka ha ga-esi je. Ha wee sị na ọ dị mma. Okorafọ wee sị ha echi echi ka ha kwakọwa ihe ha. Ha wee sị na ọ dị mma.

O ruo n'echi ya, Okorafọ wee jụọ Mazị Ọjị ma ọ ga-esokwa gaa n'ụlọ Ọkpara. Mazị Ọjị wee sị, "Ee". Mazị Ọjị na Okorafọ wee jikere gawa. Mgbe ha ruru, Ọkpara wee nye ha ọjị.

Arịsa ebutekwa maị nye ha. Mgbe ha tasịrị ọjị, nọrọ na-añụ maị, Okorafọ wee rịọ ha sị, "Ihe ọ bụla a ga-ekwu ta a ka e kwuo ya ngwa ngwa". Ọkpara wee sị ya na okwu dum dị ya n'aka, n'ihi na ya ajụọla onye ụlọ ya, na obi ya na ya bụkwa otu. Okorafọ wee sị Ọkpara, "Olee nke bu ụzọ?" Ọkpara wee sị Okorafọ, "Echere m na m gwara gị sị e mee nwa ka e mere ibe ya obi adị ya mma." Okorafọ wee wepụta ohu pound na iri, sị, "Ọkpara were nke a, ọzọ kwa ị matara na Arịsa bụ Arịsa mụ na unu." Mgbe ahụ Mazị Ọjị wee sị na nke ahụ bụkwa olu okwu mbụ ya kwuru banyere onye ụlọ ya bụ Obiọha, na Obiọha bụ nke ya na ha. Ọkpara wee kelee Mazị Ọjị, keleekwa Okorafọ, wee were ego, jụọkwa ha mgbe ha ga-ebili. Okorafọ wee sị ya, "Echi." Ọkpara wee sị, "O-oo! Nna m Arịsa ị nụrụ ihe ha kwuru?" Arịsa wee sị, "Ee". Okorafọ wee sị Arịsa n'ụtụtụ echi, ya jikere pita hapụ ihe nile ka ụka wee ghara ịpụtara ya na nna ya ukwu, n'ihi na Omenụkọ jikeere imere ha ihe ọ bụla madụ nwere ike imere ibe ya, ka obi wee tọọ ya ụtọ, n'ihi mgbe ọ bụla o chetara ha, ụra adịghị atụ ya, iri ihe oriri adịghị agụkwa ya, nanị ihe ọ na-enwe ike imetụ aka bụ efenja ya. Arịsa wee sị na ọ dị mma na ya ga-apụta n'ụtụtụ echi ya. Okorafọ wee kelee Ọkpara, sị ya ka okwu ha dịwa ka ha siri kwuo ya, ka ya laa. Ọkpara wee sị na ọ dịghi ihe ọzọ, echi onye ụlọ ya ga-apụta.

Ha wee laa n'ụlọ Mazị Ọjị. Mgbe ha zusịrị ike ije ha, Obiọha wee kaara Okorafọ ka ọ kpọọ

ndị ezi ha dum, kọọrọ ha na ha gaje ịla ala echi na ọ bụghi nke okwu na ụka, kama ọ bụ nke udo, n'ihi na onye mere ka ha nọdụ n'ebe ahụ chọkwara ka ha soo laghachi, na ọ hụla ndị nwe ha anya, na nna ya Ọjị kweere n'obi ọma ya. Mazị Ezuma otu aka ahụ n'ebe Elebeke nọ; Ọkpara Udensị kweerekwa n'isi Arịsa. Ụfọdụ n'ime ndị Arụ Ụlọ kwara akwa n'ihi ụla ha, ma ụfọdụ sị na ọ dị mma dị ka e mere ihe dị otu a n'udo, ka ọ ghara ịpụ ụka, n'ihi na a sị na ọ pụta ụka, ọ ga-abụ ọgụ nne na nwa, n'ihi Arụ Ụlọ na Arụ Elugwu bụ otu. Okorafọ wee sị ya na o mere nke ọma n'ịkpọ ha gwa ha ihe dị otu ~~otu~~ a. Okorafọ wee sị ya na ha aghaghi ịzọli na mgbe anyasị echi. Obiọha wee sị Okorafọ, "Ọ bụ ụka gị, mgbe ọbụla a sị na anyị ga-azọli anyị ga-ekwekwa."

O ruo n'echi ya, Okorafọ wee gwa otu onye n'ime ndị ya na ha so, ka o soro Obiọha gaa na nke Mazị Ezuma gwa ya ka Elebeke pụta n'ụtụtụ ahụ. Ha wee gawa ịkpọ Elebeke. Mgbe ha ruru, Mazị Ezuma wee kelesịa ekele. Ha wee gwa ya okwu Okorafọ kwuru, o wee sị, "Ọ dị mma, ụmụ m." O wee kpọọ Elebeke ka ọ bata.Mazị wee baa n'ụlọ wepụta ego otu pound na shilling iri nye Elebeke sị ya, "Nwa m were nke a zụrụ anwụrụ na ncha nke ị ga-enye ndị gị mgbe ị ruru ụlọ." Elebeke wee gbuoro ya ikpere, kelee ya nke ukwu. Ha wee bilie laghachi n'ụlọ Mazị Ọjị. Mazị Ọjị wee kpọọ onye ụlọ ya bụ Obiọha, nye ya ego pound abụọ na isi anwụrụ iri, sị ya ka o were anwụrụ ahụ meere ndị ụlọ ya ihe nzụta. Obiọha wee gbuo ikpere n'ala wee sị, "Onye nwe m, lee ikpere, leekwa isi ala." O wee kelee ya nke ukwu.

Okorafọ wee sị, "Mazị Ọjị, ọ bụghi ihe dị otu a ka anyị chọrọ n'aka unu kama ihe anyị chọrọ unu emeerele anyị. Arịsa rutere ugbu a wee zi m ego otu pound Ọkpara nyere ya; Elebeke erutekwa zi m ego otu pound na shilling iri Mazị Ezuma nyere ya; gị onwe gị weerekwa pound abụọ nye onye ụlọ gị. Oo! Ndeewo Mazị."

Okorafọ na ndị ya wee nọrọ na njikere ruo mgbe anyasị. Okorafọ na Obiọha na Elebeke na Arịsa wee soro bakwuru Mazị Ọjị n'ime ụlọ ya, wee kelee ya ekele ikpeazụ. Obiọha wee sị, "Elebeke, soro m ka m ga kelee nne m ukwu". Ha wee bata n'ụlọ nne ya ukwu, nne ya ukwu akwawa akwa. Obiọha wee soro ya kwawa. Elebeke wee rịọ ha ka ha hapụ ịkwa akwa n'ihi na ọ bụghi ọnwụ ka ọ ga-anwụ, n'ihi na ha ga na-abịa mgbe ụfọdụ na-eleta ha. Nwanyị ahụ wee sị, "O! Obiọha nwa m, ọ dị ezi mma?" O wee sụọ ude sị ka ọ dịwa, n'ihi na ọ bụghi ọnwụ. O wee kpọọ Obiọha sị ya bịa, Obiọha wee gaa nso. O wee metụ Obiọha obi n'obi ya sị, "Onye a gụrụ aha ọ dị ka aha ya. Obiọha nwa m, lawa n'udo."

Ha wee bilie n'anyasị ahụ. Ha wee jee ije ha n'udo. Ọ dịghi ihe sogburu ha n'ụzọ ruo mgbe ha ruru ụlọ. Mgbe Omenụkọ hụrụ Obiọha na Elebeke na Arịsa, o were ọṅụ gaa zute ha n'ezi. Mgbe o kelesịrị ha ekele nke ọma, ọ sị ha, "Ụmụ

m zuwenụ ike." Omenụkọ wee kpọọ ndinyom ya atọ nye ha otu ewu, otu ewu, sị ha, "Werenụ ha siwere madụ atọ ndị a nri." O nyekwa ha shilling ise ise ka ha were zụrụ azụ, wee na-eme ka ofe na-adị ụtọ nke ukwu. O wee kpọọ Obiọha wee sị ya, "Amatara m na nne gị nọ." O wee gwakwa Elebeke na nne ya na nna ya nọ, ọ sịkwa Arịsa "Ndị ụlọ gị nọkwa. Ma achọrọ m ka mụ na unu nọọ n'ebe a otu ọnwa." Omenụkọ wee sị Obiọha, "Nwanyị nke a ga-enye gị nrị mgbe ị chọrọ. Elebeke, nwanyị nke a ga-enye gị nrị mgbe ị chọrọ. Arịsa, nwanyị nke a ga-enye gị nri mgbe ị chọrọ." O wee gwa ha sị na onye ọ bụla ga-eri nri n'ụzọ ọ bụla o siri chọọ ruo ọgwụgwụ otu ọnwa ahụ. Ha wee kelee ya dị ka o mere cheta ha ọzọ, na ha onwe ha matara na ọ dịghi okwu ọ bụla diịrị ha na ya, n'ihi ya ọ dịghi mgbe ọ bụla obi ga-atọ ya ụtọ ma o cheta ha. Ha wee kwuo sị, "Ọ bụ mmụọ nke e ji adị ndụ fepụrụ n'ime gị, i wee mee ihe i nweghi ike ime na nrọ n'ihe. Anyị onwe anyị agọghi gị ọfọ ọnwụ, kama anyị gọrọ gị ọfọ ndụ." Obiọha wee sị, "Ọ bụrụ na anyị gọrọ ọfọ ọnwụ, a gaara ịhụ na ọ bụrụ na nke Elebeke na nke Arịsa adịghi ire, nke m gara ịdị ire, n'ihi na ị matara na m weere ụmụ nne na ibe nke gị gọọ ọfọ ọjọọ, na ọ gaara iru gị ahụ." Omenụkọ wee sị "Ụmụ nne m, obi dị m ụtọ ugbu a n'ihe nile. Ahụrụ m na unu chọpụtara n'onwe unu na mmụọ nke e ji adị ndụ, adịghi n'ime m mgbe m mere ihe ndị a. Ọzọ kwa, dị ka m nwetakwara unu ugbu a obi



dị m ụtọ nke ukwu. Zuwenụ ike ụmụ m." Omenụkọ wee sị ha ka ha chefuo ihe ọjọọ gafere, na ya ga-emekwata ha nke ọma.

O ruo n'echi ya, Okorafọ wee ga ịkọrọ Omenụkọ ka ya siri jee Arụ Ụlọ, kọọrọ ya dị ka Mazị Ọji siri nyere ya aka n'ụzọ nile, kọọkwara ya ihe ya kwụrụ Mazị Ọji na Mazị Ezuma na nke ya kwụrụ Ọkpara n'isi Arịsa. Ọ kọkwaara Omenụkọ ihe Mazị Ọji nyere Obiọha na nke Mazị Ezuma nyere Elebeke na Nke Ọkpara nyere Arịsa. Ya wee kọọrọ ya dị ka ha siri jekwuru ndị na-egwu Ekpe n'otu obodo a na-akpọ Ozuitem na ihe ha naara ya n'ihi ndị ya na ha so. Mgbe ọ kọsịrị ihe ndị a, Omenụkọ wee kelee Okorafọ ekele nke ukwu, tuo ya "Ome ka m". Ọ sị ya na o mere ihe ya ga-eme ma ọ bụrụ ya onwe ya jere.

Omenụkọ wee zie ozi ka a kpọọ ndị nwe madụ abụọ n'ime ndị ahụ. Mgbe ozi ruru ha ntị ha wee bịa hụ Elebeke na Arịsa na Obiọha, ha wee tie mkpu jụọ sị, "Ọ bụ olee ndị bụ ndị a"? Omenụkọ wee sị ha na ya sị ka ha bịa soro ha hụ. Ndị nwe madụ abụọ wee na-eche ihe nke ahụ ga-apụta ma e mesịa. Mgbe Omenụkọ nyesịrị ndị Elebeke na Arịsa nri, ọ sị ha, "Echi ka unu ga-ala ma Arịsa na Elebeke agaghi eso unu, ha ga-anọ n'ụlọ m ruo otu ọnwa. Omenụkọ wee kpọọ ndị nwe Elebeke sị ha, "Gaanụ chọọrọ Elebeke ụmụ agbọghọ abụọ dị mma, mgbe okwu nile biri, bịanụ gwa m ka ego nile ha, m ga-eweta ego ka a kwụọ ndị mụrụ ụmụ agbọghọ ahụ, ka ha bụrụ ndinyom ụlọ Elebeke. Ndị

nwe Arịsa otu okwu a ka m gwara unu." Ndị nwe madụ abụọ ndị a wee kelee ya ekele dị ukwu. Ha wee rahụ ụra. O ruo echi ya, ha wee laa.

Mgbe Omenụkọ kpọrọ ndi ahụ nwe Arịsa na Elebeke, ndị ahụ atụghi egwu ịga za oku ahụ, n'ihi na enyi Omenụkọ bụ Igwe, onye mbụ ọ kpọrọ ka o nyere ya aka n'ịga chọpụta n'ebe ndị ahụ ya rere bi, gwara ndị ahụ nke nwe Arịsa na Elebeke ihe Omenụkọ na-achọ ka ya meere ha. Ya mere mgbe ọ kpọrọ ha, ha nwere ntụkwasị obi n'ihi na ha na-asị "E leghi anya oku nke a Omenụkọ kpọrọ anyị ga-abụ oku udo." Ha wee jee ya na-atụghi egwu. Mgbe ndị nwe madụ abụọ ndị a ruru, ọ bụghi ha ọrụ ịchọtara ndị ha nwanyị dị ka ọ gwara ha. Ha alaghachi, wee gwa Omenụkọ ihe ha kwụbiri n'ụmụ agbọghọ anọ ahụ, nke Elebeke abụọ, nke Arịsa abụọ kwa. O wee nye ha ego dị ka ha gwara ya, ha wee ga kwụọ.

O ruo mgbe otu ọnwa ahụ gwụsịrị, mgbe madụ abụọ ndị ahụ ga-ala, Omenụkọ enye ha ego pound asaa asaa na ụmụ ihe dị iche iche. O wee zie ndị nwe ha sị ka ha bịa. Ha wee bịa. Omenụkọ wee sie nri otu o chere na ọ dị mma, ya na ndị ahụ wee rikọtaa. Omenụkọ wee sị ha, "Bikonụ gọọrọ m ọfọ ka ihe ọjọọ gafere agafe gwụ onye ọ bụla n'obi." Ha wee gọọ ọfọ, sị, "Ya dịkwara gị mma, dịkwara anyị mma. Ọkụ nnu na manụ emele gị ihe, ya emekwala anyị." Omenụkọ wee sị, "Ụmụ m, unu ga-esoro ndị ụlọ unu laa, ma ana m achọ ka m na-ahụ unu



anya mgbe ọ bụla unu nwere ike ịbịa, ka mụ na unu wee na-ahụrịta onwe anyị anya." Ha wee kelee ya, "Ndeewo Mazị." Ndị nwe ha ekeleekwa ha otu aka ahụ, ha wee laa.

Mgbe ha na-aga nwa nke nta, Omenụkọ dupụrụ otu madụ sị ka a kpọghachi ha azụ. Mgbe ha batara, Omenụkọ wee sị ha, "Bikonụ, ụmụ nne m, arịọ m unu ka unu ghara ịñụ oke ọñụ banyere ihe dị otu a n'ihi na o bụghi ha dum ka m gbalatara. Echere m na ọ ga-eme ndị nwe madụ abụọ ndị nke m na-ahụghi, obi ọjọọ ma unu ñurịwa ọñụ nke ukwu." Ha wee sị Omenụkọ na ha ga-eme otu ọ chọrọ. O wee kelee ha, ha ekeleekwa ya. Ha wee laa.

O ruo otu ụbọchị nwanne nta Omenụkọ, a na-akpọ Ogbonna na Obiọha wee jewe ndị ọgọ Ogbonna. O ruo mgbe ha na-alaghachi Obiọha wee na-ajụ Ogbonna sị, "Gịnị mere nna anyị jiri mee ka Elebeke na Arịsa ha laa ma ọ dịghi nkasi obi ọzọ o nyere m?" Ogbonna wee sị ya na ọ ga-emere ya n'ihi na a dịghi echetara ya ihe ọma echetara. Obiọha wee sị na ọ dị mma. O wee ruo otu ụbọchị Ogbonna kọọrọ Okorafọ ihe a. Okorafọ wee kọọrọ Omenụkọ. O wee kpọọ Obiọha sị ya, "Nwa m ana m echeta gị, ma otu ihe mere nke ị mataghi, ihe ahụ bụ na mbụ, anyị gbapụrụ laa n'ụlọ onye eze Mgbọrọgwụ. E mesịa onye eze wee nwụọ, mụ onwe m abụrụ eze n'ọnọdụ ya. E mesịa ndị obodo ahụ ekwosawa m ekworo ọjọọ, m wee hapụ ebe ahụ wee pụta n'ịkpa nke a biri, n'ihi ya abụghi m otu n'ime

ndị Mgbọrọgwụ, ọzọ kwa abụghi m otu n'ime ndị ala anyị. Ugbu a ihe dị m n'obi bụ na aga m achọ ụzọ ka mụ na madụ na mmụọ ndị m mejọrọ n'obodo anyị ka mụ na ha bụrụkwa otu. Mgbe ahụ onye ọ bụla na-achọ ịlụ nwanyị ka ọ gaa obodo anyị lụrụ. Nke Arịsa na Elebeke dị iche n'ihi na ha na-ala obodo anyị. Ị matara na ọ bụghi ihe dị mma ka madụ jiri nwanyị ọ lụtara na mba ọzọ mee isi nwanyị ya. Mgbe mụ na ndị ala anyị hụrụ anya, aga m alụtara gị nwanyị nke gị." Obiọha wee sị na ọ dị mma.

## ISI NKE ITEGHETE

## AGỤỤ ỊLA OBODO EBE A MỤRỤ YA NA-AGỤ OMENỤKỌ

Mgbe Omenụkọ na-achọ mmekọ ya na ndị ala anyị, ọ nọdụrụ ala, wee chee ụzọ ọ ga-esi nwee mmekọta ahụ. Omenụkọ wee si, "Ọ bụghi ihe ziri ezi ka m gaa rịọwa ndị ala ọzọ ka ha bịa mekwaara mụ na ndị ala m n'ihi na ọ dịghi okwu na-esere mụ na ha nke m ga-eji kpọwa madụ ka ha bịa kpekwaara mụ na ha. Kama ạmatara m na m mejọrọ ndị ala m. Aga m achọ ụzọ m ga-esi gakwuru ha, ma madụ ma mmụọ."

N'ihi nke a Omenụkọ wee, si, "Aga m ezikwa enyi m Igwe n'ihi na agha nke m rịọrọ ya banyere ndị m rere ere, nụpụrụ anụpụ." Omenụkọ wee zie ozi ka a kpọọrọ ya enyi ya Igwe. Mgbe ozi ruru Igwe ntị, o wee bịakwute enyi ya Omenụkọ. Mgbe Omenụkọ hụrụ Igwe ka ọ na-abịa, Omenụkọ wee tuo ya, "Ọ chọpụta ihe furu efu!" Igwe wee tughachi ya, "O mere ka o kwuru!" Ha abụọ wee chịrịtaa ọchị, jụrịtaakwa ọha. Omenụkọ wee nye enyi ya, Igwe, ọjị. Mgbe ha tasịrị ọji, Omenụkọ asị Igwe, "Enyi m, ọ na-abụ ọkọ kọwa madụ, madụ ibe ya akọọ ya, ma ọ kọwa anụ ọhịa, ọ ga chiwe ahụ ya n'osisi. Biko mkpụ nke m tikuru gị na mbụ, gị onwe gị gbatara lụọ ọgụ ka nwoke. Naa m aka." Igwe wee naa ya aka. Omenụkọ wee sị ya, "Gee ntị ugbu a. Emere m ihe ọjọọ n'ala anyị megide madụ na ndị mmụọ na mgbe dị anya, n'ihi na echiche m nile mgbe ahụ nke ndị madụ na-amataghi, ndị mmụọ matara ha. N'ihi ya, achọrọ m idebezu nke madụ na nke mmụọ.

Omenụkọ wee tụọrọ Igwe ilu, sị, "Nwatakịrị gbara akwa ṅụọ nne ya ara, a ga-eme ya añaa?" Igwe wee sị ya, "Ihe a hụghi ka a ga-esi mee ya, ka a ga-esi mee ya ga-adị." O wee sịkwa Omenụkọ, "Gị onwe gị matara na anyị nwere n'obodo anyị onye isi ala na onye eze mmụọ. Aniche bụ onye nwere ike imejụpụta obi madụ. Iyiụkwa bụ onye eze mmụọ nwekwara ike imejụpụta obi ụmụ mmụọ."

Omenụkọ asị ya, "Biko, gaa jụtara m ihe m ga-eme ka obi wee dị madụ na mmụọ mma, ka mụ na ụmụ madụ na ụmụ mmụọ gbaakwa orikọ." Omenụkọ wee nye Igwe ego ọ ga-eji

wee lute maị, wee jekwuru onye isi ala na onye eze mmụọ, ka ha wee gụọrọ ya ihe ọ ga-eji mekwaa ụmụ mmụọ. Igwe wee kwe, laa. Mgbe o ruru ụlọ, o wee lute maị jekwuru onye isi ala. Mgbe ha ñusịrị maị, Igwe wee gwa onye isi ala ahụ ihe ọ bịaara. Onye isi ala wee tie mkpu sị, "Ọ bụghị nanị ntị m ga-anụ nke a, ya mere lawa ta a, ma bịaghachi ụbọchị ọzọ, ka m kpọọ ụmụ nna anyị ka ha soro m nụrụ ihe nke a." Igwe wee jụọ ya sị, "Ị chọrọ ka m bịa echi?" Onye isi ala wee sị ya na ọ dị mma ma ọ bịa echi. Igwe wee laa. Mgbe chi bọrọ, Igwe wee chọrọkwa maị ọzọ buru gaa. Mgbe o ruru ụlọ onye isi ala, ha wee kelee onwe ha ekele. Igwe wee jụọ ya sị, "Olee ndị ahụ ị kwuru na ha ga-abịa?" Onye isi ala wee sị ya na ha ga-abịa na mgbe ahụ. Ha wee nọọ nwa nke nta, ha wee bịa. Igwe wee were maị nye onye isi ala kwuokwa ihe o jiri bịa. Onye isi ala wee sị ndị nile nọ, "Nke a bụ ihe ọ gwara m ụnyahụ, m wee sị ya na aga m akpọkwa unu dum. N'ihi ya unu abịala ugbu a; kwuonụ uche unu, n'ihi na ọ bụghị ihe ịga n'izu." Ha wee sị onye isi ala, "Kwuonụ ihe ị matara, ihe ị kwuru bụ ihe anyị kwuru." Onye isi ala wee sị Igwe, "Gee ntị ihe ị ga-agwa Omenụkọ. Sị ya weta otu oke ehi, akwa ọkụkọ asatọ, otu oke ọkụkọ na ji ukwu asatọ na ji nta asatọ." Onye is ala wee sịkwa, "Ọ bụrụ na o mee ihe ndị a, obi ga-adị ụmụ madụ na ụmụ mmụọ ọcha n'ebe ọ nọ ma ọ bụrụ na ọ ga-ahụkwa onye eze mmụọ anya, dị ka ọ hụrụ m." Igwe wee



sị na Omenụkọ sịrị ya jekwurukwa onye eze mmụọ, bụ Iyiụkwa, jụtakwa ya ihe ya ga-eme ka obi wee dịkwa ma madụ ma mmụọ mma. Igwe wee laa.

O ruo n'echi ya ọ chọrọkwa maị, buru ya gaa n'ụlọ onye eze mmụọ wee sị ya, "Biko lekwa ihe Omenụkọ sị ka m jụta." Iyiụkwa wee sị ya, "Lawa gaa sị Omenụkọ na m sịrị ya, nne atụrụ ga-epu mpị, ekwo dịkwa ya arọ." Igwe wee jụọ ya ihe okwu ahụ pụtara. Iyiụkwa wee sị, "Omenụkọ na-achọ udo ụmụ mmụọ, ọ ga-enwekwa ike ime ihe dum a ga-asị ya mee?" Igwe wee sị ya, "Ọ ga-eme, biko, gụsịa ha ugbu a ka m nụrụ." Onye eze mmụọ wee sị ya na ọ dị mma, wee malite ịgụ ya sị, "Otu nne atụrụ, otu nnekwu ọkụkọ, otu oke ọkụkọ, na akwa asatọ na otu akwa ọbọcha; otu abọ ji na abọ ede, ogbe ọjị, ogbe ose ọjị, ọjị anọ, ogu nzụ anọ, maị ike erughi ala, ite maị ngwọ, ite maị nkwụ. Ọ bụrụ na Omenụkọ emee ihe ndị a, ọ ga-adị mma." Igwe wee kelee ya, laa.

Ma e mesịa Iyiụkwa, bụ onye eze mmụọ ahụ wee cheta na ya chefuru ịgwa Igwe na Omenụkọ aghaghi iweta abụba ugo anọ chara acha. O wee zie ozi ka a kpọọrọ ya Igwe. Mgbe ozi ruru Igwe ntị, Igwe wee gaa n'ụlọ Iyiụkwa. Mgbe ha zukọtara Iyiụkwa wee sị Igwe na otu ihe dị nke ya chefuru ịgwa ya. Ihe ahụ bụ na Omenụkọ aghaghi iweta abụba ugo anọ chara acha. Igwe wee laa, jikere jekwuru Omenụkọ wee gụsịara ya ihe onye isi ala kwuru na nke onye eze mmụọ

kwuru. Omenụkọ wee were ọnụ nara okwu ahụ dum. O wee sị Igwe "Ọ bụ mgbe m wetara ihe ndị a ka anyị ga-anọdụ ala chee echiche ka a ga-esi mee ya." Igwe wee sị ya, "Ee, dị ka ị kwuru dị mma." Omenụkọ wee sịkwa Igwe na nke ya ga-abụ mgbe ikpeazụ. Igwe wee sị Omenụkọ "Atụla uche maka nke m, ka anyị chọta ihe anyị na-achọ". Ha abụọ wee kwekọtaa n'otu ihe ahụ sị ka ọ dịwa, mgbe a rụsịrị ọrụ, e rie nni ọrụ.

## ISI NKE IRI

## MMEKỌTA OMENỤKỌ NA NDỊ ALA ANYỊ

Omenụkọ wee zụọ ihe dum onye isi ala na onye eze mmụọ sịrị ya zụọ. Mgbe ọ na-azụ ihe ndị a a sịrị ya zụọ, ọ zụghi abụba ugo n'ihi na o nwere ugo abụọ ọ hapụrụ n'ụlọ ya nke ọ na-azụ azụ. Mgbe ọ zụtasịrị ihe ndị a, o wee zie ka a kpọọrọ ya Igwe. Mgbe ozi a ruru Igwe ntị, o wee bịa. Omenụkọ wee sị Igwe na ya azụtala ihe dum a sịrị ya zụta. Igwe wee sị Omenụkọ "Aga m ala ga gwa onye isi ala na onye eze mmụọ, mgbe ahụ ha ga-agwa m otu a ga-eme ya." Omenụkọ wee sị Igwe na okwu ya dị ụtọ, ka e mee otu ahụ.

O ruo echi ya, Igwe wee laa. Mgbe o ruru



ụlọ, o jerụru ụlọ madụ abụọ ahụ, wee gwa ha na Omenụkọ azụtasịala ihe dum a gwara ya ka ọ zụta. Ọ jụọ ha otu a ga-esi mee ya. Ha wee sị ya ka ọ gwa Omenụkọ ka o wekọrọ ihe dum bịa n'onwe ya n'ihi na ọ bụghi ihe ozi nzizi. N'ihi na a ga-ewere akwa ọkụkọ ụfọdụ metụ ya n'ọnụ tụfuo, sịkwa ụfọdụ madụ ga-eritụ ya nke nta nke nta. Ihe a kpọrọ orikọ nke madụ na nke ndị mmụọ ka ihe ahụ dum bụ. A ga-egbu ihe ahụ dum, sie ha, madụ dum eritụ ha n'otu n'otu ma onye mbụ ma onye ikpeazụ, n'otu mgbe ahụ. Igwe wee sị ha na ọ bụ ezi okwu, na ya ga-ala jekwurukwa Omenụkọ gwa ya dị ka ha kwuru. Mgbe ahụ Omenụkọ ga-ejikere mara mgbe ọ ga-abịa. Ma Igwe zipụrụ otu nwanta ụlọ ya ka o jekwuru Omenụkọ gwa ya ihe ha kwuru. Mgbe onye ụlọ Igwe jerụru, kọọrọ Omenụkọ ihe ndị ahụ saghachiri Igwe, Omenụkọ ewepụta madụ abụọ ndị ụlọ ya tinyere onye ụlọ enyị ya Igwe, nye ha oke ehi ahụ, sị ha nye enyi ya Igwe ka o debe ruo abalị anọ mgbe ya ga-abịa. Ọ sịkwa ya zie ụzọ madụ abụọ ahụ na ya aghaghi ịbịa n'abalị anọ ahụ. Ndị ahụ wee bilie gaa dị ka ọ gwara ha. Omenụkọ wee kpọọ ụmụ nne ya sị ha, "Nyerenụ m aka ka anyị chepụta ụzọ m ga-esi wee jee ije m a." Ha nile wee kwekọtaa na Omenụkọ na Nwabụeze ga-eso jee.

O ruo n'izu ahụ a kara aka, Omenụkọ wee kwakọrọ ihe ya nile, jide otu ugo n'ime ugo abụọ ahụ ọ na-azụ azụ. Karịa ka ọ ga-efopụta abụba ugo dị ka a gwara ya, o were ugo n'onwe ya